# ỌNỌDỤ ỊBỤ ONYE NCHỤÀJÀ NKE KRAIST

**Ndi Hibru 3:1-6; 4:14-16; 5:1-10.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 436**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na otù Chineke di, otù Onye ogbugbo di kwa n'agbata Chineke na madu, onye Ya onwe-ya bu madu, bú Kraist Jisus" (I Timoti 2:5).**

Jisọs nwere ọkwá atọ imeju: nke Onyeamụma, Onyenchụàjà na nke Eze. Onyeamụma bụ onye n'ekwuchitara mmadụ ọnụ Chineke, ọ naagwa mmadụ ihe uche Chineke bụ. Ọtụtụ ndị amụma nọ n'oge Agba Ochie, ndị náagwarị ụmụmmadụ ihe Chineke naachọ ka ha mata. Moses bụ otù n'ime ha, kama anyị na ewere oge nke ndị amụma dịka oge ahụ bidoro n'onyeamụma Samuel. Enwe kwara Elaija, Elaisha, Aisaia, Joel, Nehum, Emos, Daniel, na ọtụtụ ndịọzọ.

**Mkwuwaokwu N'iru Chineke**

Onyenchụàjà bụ Onye náekwuchitara mmadụ ọnụ n'iru Chineke. Taa Jisọs bụ Onyenchụàjà anyị. Ọ nọ n'Eluigwe náarịọchitara anyị arịrịọ n'iru Chineke Nna. N'ihi na Ọ wụsịịrị anyị Ọbara Ya anyị dịịrị Ya, Ọ naachọ kwa ka anyi nweta iruọma n'ebe Chineke nọ. Ọ bụ Onye ogbugbò maọbụ Onye njéchi. Jisọs sịrị: "Ọ digh onye ọ bula nābiakute Nnam, ma-ọbugh site na Mu." (Jọn 14:6 ). Onye mmehie apụghị ịbịakwute Chineke ahụ dị Nsọ ma ọbụghị site na mkpuchi Ọbara nke Jisọs. Ọ bụrụ na anyị arịọwo Jisọs ka ọ gbaghara anyị mmehie anyị, Ọbara Jisọs wee sachapụ mmehie ndị ahụ mee anyị ka anyị dị nsọ anyị agaghị atụ́ egwù ịbịakwute Chineke. Anyi nwere "nkwuwa-okwu ibà n'ebe nsọ ahu site n'ọbara Jisus" (Ndi Hibru 10:19). Chineke rọpụtara Jisọs ịbụ Onyeisi nchụàjà, Jisọs kwesịkwara ntụkwasịobi -- dịka Moses kwesịkwara ntụkwasịobi wee debe Iwu Chineke niile. Moses biriri ndụ ọtụtụ narị arọ tupu Jisọs abịa n'ụwa, Kama Ọ matara na Jisọs gaje ịbịa, ọ wee chọọ ka ndị mmadụ kwere na Ya. Moses sịrị: "JEHOVA, bú Chineke-gi, gēme ka onye-amuma, nke dika mu onwem, biliere gi site n'etiti gi, site n'umu-nne-gi; onye ahu ka unu gēge nti" (Deuteronomi 18:5). Mgbe Jisọs nọ n'ụwa, O jere ozi dị ka Onyeamụma; kama ugbu a Ọ nọ n'Eluigwe Ọ bụ Onyeisi nchụàjà anyị.

Ọ dị ihe dị iche n'etiti ọnọdụ ịbụ Onyenchụàjà nke Kraist na nke ndịnchụàjà niile nke Agbà Ochie ndị osusoọ̀mụ́mụ́ ha sitere na Erọn. N'oge ahụ enyere Moses Iwu ahụ, Chineke nyere ndụmọdụ doro anya na Erọn na ụmụ ya gaabụ ndịnchụàjà, na ọkwá ahụ dịkwa nsọ nke ukwu. Otù mgbe ụmụ Erọn abụọ wetara n'Iru Jehova "oku ala ọzọ," ihe Chineke n'enyeghị n'Iwu, ha wee nwụọ n'ebe ahụ n'ime Ụlọikwu ahụ. Chineke chọrọ ka ndị mmadụ lezieanya n'idebe ụlọ nsọpụrụ ya na ijéozi Ya nsọ.

Chineke nyere ndụm-ọdụ banyere ihe onye-isi-nchụ-àjà ga-eyi n'arụ ya, wee si kwa na ha bụ akwa dị nsọ "n'ebube na ima nma". Ephod asịrị ya yiri ka aga-eji nkume onya jikọta n'abu ya abụa-abụa, n'elu ha kwa ka egburu egbugbu aha ụmụ Israel n'ebo ha; aha ebo isii n'otù ubu, aha ebo isii kwa n'ubu nke ọzọ. Nka a bụ igosipụta na Onye-nchụàjà ahụ n'ebu n'elu ubu ya oke ọlụ diri Umu Israel n'iru Chineke. Ọ gà-eyikwasi ihe-igbochi-obi ahịgịdere nkume iri-na-abụa, otù nkume diri otù ebo, n'elu-obi ya – ma-ọbụ n'ime obi ya. Mgbe ọ na-aba n'iru Onye-new-ayi, ọ na-ebu ụmụ Israel n'ịhụ n'anya n'elu obi-ya, ịrịochitara ha arịrịọ n'iru Chineke. Onye-nchụ-àjà ahu bụụdịJisus nke n'eguzo n'iru Chineke taa. N'ariọchitara ayị arịrịọ.

**"Jisus nēbu gi n'obi Ya**
**Ọ gēnye ayi amara na-akpá ayi nkpà.**
**Lekwasi Ya anya na-ekwere kwa**
**Udo na ọnu ná anata kwa.**
**Jisus nēbu gi n'elu obi Ya."**

Jisọs bụ Onyeisi nchụàjà anyị, Ọ gaagbagha kwara ihe niile ọ bụla anyị kwupụtara nye Ya. "Ọ buru na ayi ekwuputa nmehie-ayi, Ọ bu Onye kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi omume, ka o we gbaghara ayi nmehie-ayi, sachapu kwa ayi ajọ-omume nile" (I Jọn 1:9). Ndụmọdụ Chineke n'otúu agaesi kwupụta mmehie ka enyere na Aisaia 55:7: "Onye nēmebi Iwu, ya rapu uzọ-ya, onye nēme ajọ

ihe, ya rapu èchichè-ya nile: ya laghachikute kwa JEHOVA, Ọ genwe kwa obi-ebere n'aru-ya; ya laghachikute kwa Chineke-ayi, n'ihi na Ọ gāgbaghara ya nmehie-ya n'uba."

Jisọs hụrụ anyị n'anya wee nwụara anyị ọnwụ, náawụsi Ọbara Ya ịsachapụ mmehie anyị. Mgbe anyị náahụjuanya, Ọ naeso kwa anyị náahụjuanya. Mgbe obi anyi di ilu, Ọ naaghọta náachọ kwa ịkasi anyị obi. O bizuru ogologo oge n'ụwa ịmata nsogbu anyị, Ọ na aghọta kwa náelekọta kwa. Anyị nwereike ịbịakwute Ya na mkwuwaokwu, ịrịọ Ya ka O nyere anyi aka, Ọ gaeme kwara onye ọ bụla náachọ ịbụ ezi nwa Chineke ebere.

**Jisọs Onyenchụàjà Náadị Rue Mgbe Ebighị ebi**

Onyeisi nchụàjà n'okpuru Iwu enweghịike ịnọgide n'ọnọdụ nchuàjà ogologo oge, n'ihi na ọ gaaka nká wee nwụọ. Nwaokorọbịa gaewere ọnọdụ ya tutu ya onwe ya, anwụọ kwa. Ma ndịnchụàjà ndịa gaesite n'ebo Levi, n'èzínaụlọ Erọn.

Ma enwere mgbanwe náahịrị ndịnchụàjà mgbe Jisọs ghọrọ Onyeisi Nchụàjà anyị. O sitere n'ebo Juda "bú ebo nke Moses nēkwugh ihe ọ bula bayere ndi-nchu-àjà bayere ya" (Ndi Hibru 7:14). Ọ ghọghị Onyenchụàjà náánị n'ihi èzínaụlọ Ya. Chineke Onye nwe Ya bụ Onye rọpụtara Ya.

Chineke hụrụ Jisọs n'anya nke ukwu. Ọtụtụ mgbe ka Chineke sịrị: "Gi onwe-gi bu Okparam m'huru n'anya, ihe-Gi dim ezi nma" (Mak 1:11; Matiu 17:5). Náánị Ya bu Ọkpara Chineke nwere, na mgbe amụbatara Ya n'ụwa, Chineke sịrị: "Ọkparam ka Gi onwe-gi bu, Mu onwem amuwo-Gi ta," usu niile nke Eluigwe bịakọtara nso wee ñụrịa ọñụ na Jisọs abịawo n'ụwa ịzọpụta ndị mmehie. Ha bụrụ: "Otuto diri Chineke n'ebe kachasi ihe nile elu, udo di kwa n'elu uwa n'etiti madụ ndi ihe-ha di Ya ezi nma" (Luk 2:14). Mgbe emesịrị Chineke sịrị: "Gi onwe-gi bu onye-nchu-àjà rue mbe ebigh-ebi Dika usoro Melkizedek si di"(Ndi Hibru 5:6), ọ bụghị dịka n'usoro Eron maọbụ nke ndị Levi. (Anyị gaanụ ihe gbasara Melkizedek n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ka dị n'iru).

**Ekpere nke Jisọs**

Jisọs jere ozi dịka onyeamụma mgbe Ọ nọ n'eluụwa, ma mgbe ụfọdụ Ọ bụwokwararị anyị Onyenchuàjà, n'otù aka ahụ. Otụtụ abalị ka Ọ nọworo n'akụkụ ugwu náánị Ya n'ekpere Nna Ya ekpere n'ihi ụmụmmadụ, "n'óké ikwa akwa na anya-miri" ka ewee zọpụta ha. Tupu Ya arọpụta Ndịozi irinaabụọ ahụ, "Ọ puru rigo n'ugwu ahu ikpe ekpere; Ọ we nọgide n'ogologo abali ahu nile n'ikpe ekpere nye Chineke" (Luk 6:12). Otù mgbe, mgbe Ọ zụsịrị puku (5000) mmadụ ise ná nri náeji ogbe achịcha ise na ụmụ azụ ntà abụọ, ndị ahụ chọrọ ime ya eze. Ha naèche na ndụ ha ga adịrị ha mfè ma ọ bụrụ na ha enwee eze pụrụ ime ka nri mubaa dịka O mere n'ụbọchị ahụ ike kwe ọ gaghị adị kwa mkpà ka ha n'ejé ọlụ ọzọ. O wutara Jisọs na náánị ihe bụ mmasi ha bụ ihe agaeri, karịa oziọma Ọ naezisa, ya mere Ọ rapụ ha wee jee n'ugwu náánị Ya ikpéekpere (Jọn 6:15). N'abalị ahụ tupu akpọgide Ya n'obe O kpere ogologo ekpere nke edepụtara na Jọn 17 nke anakpọ kwa Ekpere Nrịọchitara Ya. O kpeghị ekpere banyere náánị ndị ha na Ya nọ n'abalị ahụ, kama ọ bụ n'ihi ndị niile gaekwere n'ozi ha n'ezisa wee nwee kwa nzọpụta. Nke ahụ dịrị onye ọ bụla n'ime anyị, ma ọ bụrụ na anyị ekwere na Jisọs nwụrụ n'ihi mmehie anyị na Ọ gaagbaghara kwa anyị mgbe anyị chègharịrị.

Ọ bụrụ na ọ naemetụ gị na ọ bụ náánị gị na o nweghị kwa onye chọrọ gị, chèta na Jisọs nọ n'ekpere gị ekpere mgbe Ọ rịọrọ Chineke: "Nna, ihe I nyeworom, anamachọ ka ebe Mu onwem nọ, ka Mu na ndi ahu nọ kwa; ka ha we hu otutom, nke I nyeworom: n'ihi na I hurum n'anya mgbe akātọgh ntọ-ala uwa" (Jọn 17:24). Jisọs chọrọ ka Ya na ụmụ Ya dị nsọ nọkọọ n'Eluigwe ebe ha onwe ha gaerita urù ebube niile Ya na Nna Ya nwekọrọ na ndị mmụọozi ahu niile dị nsọ. Onye ọ bụla náadịghị nsọ agaghi erite ya n'urù, ya mere na anyị gaejisiike ịhụ́ na akwadobere anyị n'ihi Eluigwe n'ebe a. A gaehichapu mmehie anyị niile site ná ndụ anyị, tinye kwara ibuiro, ịkpọ́ásị, ọnụma, esemokwu na iteegwú (Ndi Galatia 5:20, 21), ma ọ bụrụ na anyị gaadịzu nsọ ịbà n'Eluigwe.

**Igbumgbu N'obi Nke Kraist**

Mgbe Ọ kpesịrị ekpere ahụ Ọ wee gaa n'Ogige nke Getsemane ebe O kpereekpere Ya kachasị ike. Ọsụsọ gbara Ya dị ka agaasị na ọbụ óké okpụrụkpụ Ọbara nime ihe mgbu obi Ya. Kama Ọ dị Ya mma ime uche Nna. Ọ sịrị: "Nna, ọ buru na ọ di Gi nma, naram iko a: otú ọ di, ka eme ihe Gi onwe-gi nachọ, ọ bugh ihe Mu onwem nācho" (Luk 22:42). Ekpere anyị niile kwesịrị inwe mkpebị okwu ahụ nime ha,

“ka eme ihe Gi onwe-Gi nācho̩, o̩ bugh ihe Mu onwem nācho.” Ezigbo OnyenkeKraist naacho̩ ka eme uche Chineke na ndu̩ ya, o̩bu̩ná di̩ mao̩bu̩ na o̩ gaegbu mmu̩o̩ ya mgbu, ma o̩ bu̩ kwado ya ka o mee ihe o̩ naacho̩ghi̩ ime. Nwoke o̩ bu̩la, nwanyi̩, nwaokoro̩bi̩a mao̩bu̩ nwaagbo̩gho̩bi̩a cho̩ro̩ iwere obi ya niile jeere Chineke ozi aghaghi̩ i̩gafe o̩tu̩tu̩ nsogbu gaeme ya ka o̩ bu̩ru̩ onye di̩ nrò n’aka Chineke. O̩tu̩tu̩ mgbe o̩ gaacho̩ isoro u̩zo̩ nke aka ya, ma o̩ gaabu̩ kwa ihe gaegbuba n’u̩mi̩ mgbe o̩ gaarara uche ya nye Onyenweanyi̩; kama n’abali̩ ahu̩ n’Ogige Getsemane Jiso̩s nagidere ihe mgbu di̩ óké omimi ókè kari̩a ihe o̩ bu̩la pu̩ru̩ imetuta anyi̩ n’aru̩, n’ihi ya O̩ naagho̩ta nhujuanya anyi̩ na anyammiri anyi̩ niile, O̩ gaenye kwara anyi̩ aka ma anyi̩ nye Ya oghere. “O̩ bu ezie na O̩ bu O̩kpara, ma O̩ mutara iña-nti-Ya site n’ahuhu nile O̩ huru” (Ndi Hibru 5:8). O mere ha niile n’ihi anyi̩. O̩ pu̩ru̩ i̩no̩du̩ri n’Eluigwe wee ghara i̩hú̩ ahu̩hu̩ mao̩li̩. O̩ pu̩kwara i̩bi̩a n’u̩wa, ma mgbe O̩ malitere i̩hú̩ ahu̩hu̩ n’aka u̩mu̩mmadu̩ O̩ gaechèwori̩ na u̩mu̩mmadu̩ ekwesi̩ghi̩ ka ahu̩o̩ra ha ahu̩hu̩ di̩ otú a o wee laghachi̩ n’Eluigwe náakwu̩ghi̩ u̩gwo̩ mgbapu̩ta anyi̩. Kama O̩ ro̩ro̩ i̩hú̩ ahu̩hu̩ ka ewee zo̩pu̩ta anyi̩. “Ya onwe-ya bu onye amapúworo ná njehie nile nke ayi, onye azo̩piaworo site n’ajo̩ omume nile nke ayi ahuhu mmehie nke udo-ayi di n’aru ya; o̩ bu kwa ubiri utari-ya ka ejiri me ka aru-ayi di ike” (Aisaia 53:5). “Ihe ebube kachasi ihe ebube, Ò̩ gābu n’ihe ndia nile bu n’ihim?” Lee otú O̩ hu̩woro anyi̩ n’anya i̩hu̩ru̩ anyi̩ ahu̩hu̩ ndi̩a niile ka ewee zo̩pu̩ta mu na gi! Anyi̩ niile n’otù n’otú kwesi̩ri̩ i̩hu̩ ahu̩hu̩ n’ihi mmehie anyi̩. O mehieghi̩ mmehie o̩ bu̩la O nweghi̩ kwa ihe mgbakwasi u̩kwu̩ mao̩bu̩ghi̩ na O̩ di̩ Ya mma ibu ntaramaahu̩hu̩ anyi. Lee otú o kwesi̩ri̩ ka anyi̩ hú̩ Ya n’anya! O̩ bu̩ru̩ na anyi̩ na ahú̩ Ya n’anya, anyi̩ gaedebe ihe niile O nyere n’Iwu.

N’ihi na Jiso̩s rubeere Chineke isi n’ihe niile O wee kwesi̩ i̩gbapu̩ta anyi̩ wee “gho̩ro̩ ndi nile naña Ya nti Onye nēwetara ha nzo̩pu̩ta ebigh-ebi” (Ndi Hibru 5:9).

## AJU̩JU̩ DI̩ ICHEICHE

1. Kpo̩o̩ aha o̩kwá ato̩ nke Jiso̩s.
2. Gi̩ni̩ bu̩ o̩lu̩ Onyenchu̩àjà?
3. Gi̩ni̩ mere ndi̩nchu̩àjà ahu̩ webatara “o̩kù ala-ozo̩”?
4. Ko̩o̩ u̩zo̩ pu̩ru̩ iche o̩no̩du̩ nchu̩àjà Jiso̩s ji di̩ri̩ iche na nke ndi̩nchu̩àjà o̩zo̩?
5. Ko̩o̩ u̩fo̩du̩ ekpere Jiso̩s edepu̩tara.
6. Banyere ndi̩ òle ka Jiso̩s kpereekpere tupu akpo̩gide Ya n’obe? Gi̩ni̩ ka O̩ ri̩o̩ro̩ maka ha?
7. Gi̩ni̩ mere Jiso̩s jiri roro̩ i̩nwu̩ n’elu obe?
8. N’usoro onye ka Jiso̩s bu̩ Onyenchu̩àjà?